# Nyọcha Usoro okwu Mmemụbara nsina ngwaa n'olu Abankeleke

**Eze, Adaora Maudline (Ph.D)**
Ngalaba Asụsụ na Lingwistiks,
Mahadum Steeti Ebonyi, Abakaliki
mezeadaora@gmail.com +2347069585555

***Egwu Roseline Onyinyechi Uka***
Ngalaba Asụsụ na Lingwistiks,
Mahadum Steeti Ebonyi, Abakaliki
egwu.rou@gmail.com +2348037617490

**Onu Mercy Agha (Ph.D)**
Ngalaba Asụsụ na Lingwistiks,
Mahadum Steeti Ebonyi, Abakaliki.
mercyaghaonu@ebsu.edu.ng +2348038764500

**Nwode Goodluck Chigboo (Ph.D)**
Ngalaba Asụsụ na Lingwistiks,
Mahadum Steeti Ebonyi, Abakaliki.
goodluck.nwode@ebsu.edu.ng +2348033513534

## Ụmịedemede

E nwere ọtụtụ ụzọ na usoro e ji emebe ụbara n'usoro okwu ọtụtụ asụsụ. Mmemụbara nwere ike ịdị n'ụdị mkpọaha ma ọ bụ ngwaa nke na-egosi ihe ma ọ bụ mmadụ karịrị otu. Mmemụbara bụ ụzọ e si egosipụta ihe karịrị otu n'asụsụ niile. Nchọcha a lebara anya na nyọcha usoro okwu ụzọ e nwere ike isi si na ngwaa mebe ụbara n'olu Abakaleke nke Steeti Ebọnyị. Mbunuche nchoọcha a bụ ịchọpụta ụzọ e nwere ike i si na ngwaa mepụta mmemụbara n'olu Abakaleke nke Steeti Ebọnyị. Nchọcha a nyekwara ọtụtụ ọmụmaatụ ahịrịokwu ebe

ngwaa na-arụ ọrụ dịka mmemụbara n'olu Abakaleke nke Steeti Ebọnyị. Nchọcha a gbasoro atụtụ ntụ na iwu ma gbadokwa ụkwuụ na iwu abụmisi nke Chomsky (1981). Ụdị nchọcha e ji rụọ ọrọ bụ nkọwasị ndizi mma. A gbara ndị mmadụ iri atọ n'ọnụmara atọ mebere olu ndị Abakaleke ndị gụnyere Ẹzaa, Izii and Ikwo ajụjụ ọnụ iji nweta ngwaa ọrụ e ji mee nchọcha a. Nchọcha a chọpụtara na ngwaa e nwere ike iji mee ụbara n'olu Abakaleke gụnyere; wụ, za, zụ, rịkpụ, ju, chị, gha, kpo, ba, ha, tụtụ na nọchị. Aro odee maka nchọcha ọdinihu bụ ka ọchọcha ọzọ lebaa anya n'ihe ngwagharị dị iche iche dị na mmemụbara izugbe na olu ndị ọzọ.

## Abstract

Pluralization takes different forms and processes in the syntax of different languages. Plural is a form of a noun or verb which refers to more than one person or thing. Pluralization is the process of forming plurals in various languages.The aim of this study is to analyse syntactically the different verbs that can be used to form plurals in Abakaleke dialect of Ebonyi state. This study gave examples of Igbo sentences with verbs as the plural marker. The objectives of this study are to examine different ways that verbs can be used in the plural formation in Abakaleke dialect. The theory adopted for this research is headedness principle of Chomsky (1981). A qualitative paradigm was employed in the study. Personal unstructured interview conducted on thirty correspondents representing the three major dialects Ẹzaa, Izii and Ikwo of Abakaliki dialect cluster of Igbo formed part of the data for the study. The research observed that the verbs that can be used in the plural formation include; wụ, za, zụ, rịkpụ, ju, chị, gha, kpo, ba, ha, tụtụ and nọchi. The researchers suggest that other researchers should look into the plural variations of standard Igbo and another dialect.

**Mkpọlita**

**Ntọala nchọcha**

Asụsụ bụ ihe zuru ụwa ọnụ ma bụrụkwa otu n'ime njirimara mmadụ. Ọ bụ naanị mmadụ na–asụ asụsụ nke o nwere ike iji zipụta omenaala, azụmahịa, ike ikpe na ihe ndị ọzọ. Ọ bụ naanị mmadụ ji asụsụ ezipụta ebumnobi ya. Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si emekọrịta ma bụrụkwa ide ji obodo ọ bụla n'ụwa. □ nweghị obodo ga-adịgide ma e wepu asụsụ. Na obodo na-aga n'ihu bụ asụsụ. A na-amụ asụsụ n'ụzọ dị iche iche n'amụmamụ sayensị ma ọ bụ lingwistiks. Asụsụ Igbo so n'asụsụ epum atọ ndị ọchịchị etiti Naijirịa nabatara iji rụọ ọrụ n'ụlọ mmebe iwu iji kụzie ihe n'ụlọ akwụkwọ. Ezeumudo (1981:2) kọwara asụsụ dị ka ụda olu nwere nghọta nke mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka. Asụsụ bụ ụzọ kachasị doo anya mmadụ na ibe ya si emekọrịta iji kparịta ụka site n'ikwu okwu. Ọ bụ ozuru mba ọnụ. Ọ bụ ya ka mmadụ ji karịa anụ ọhịa. Ọ bụ ụzọ obibi ndụ mmadụ. Mmadụ niile nọ n'ụwa nwere asụsụ dị iche iche e jiri mara ha. Asụsụ na-agbanwe site na mba fere mba na site n'obodo fere obodo. Etu nri na ikuku siri dị mkpa na ndụ mmadụ, bụ ka asụsụ siri dị mkpa na ndụ mmadụ. A na-esite n'asụsụ mmadụ amata ebe onye ahụ si bịa. Mmadụ na-esitekwa n'asụsụ zọpụta onwe ya n'ihe mmekpa ahụ na ihe egwu ọ bụla. Ọ bụ agamnihu mmadụ n'ihi na ọ bụ asụsụ ka mmadụ ji eme ihe ọ bụla ọ na-eme na ndụ ya.

Lyons (1981) kọwara asụsụ dịka ndụ mmadụ, n'ihi na ọ bụ asụsụ bụ ụdọ ji ndụ obodo ọ bụla. Ọ na-ekwu na asụsụ bụ usoro nhazi mmekọrịta ọha na eze nke ihe mejupụtara ya bụ ụda, mkpụrụ okwu na asụmasụ site n'otu obodo rue n'ọzọ. □keke (1993:1) kwuru na asụsụ, dị ka anyị maara, dị oke mkpa na ndụ mmadụ. Ọ kọwara na ọ bụ asụsụ ka mmadụ ji dị iche n'ebe anụmanụ dị. Mmadụ na-eji asụsụ, akparịta ụka n'ụzọ pụrụ iche karịa anụmanụ. Mmadụ nwere amamihe na uche ma na-echekwa echiche. Ikekọnwụ, Ezeikeojiakụ, Ụbanị

na ndị ọzọ (1999) kọwara n'etu mba dị iche iche dị n'ala Igbo si asụ Igbo bụ olu ndị ha. Nke a pụtara na etu onye Ọnịcha sị asụ Igbo dị iche na etu onye Nsụka, Udi ma ọ bụ Abankaleke si asụ Igbo ya. Ugwuona (2015), kọwara na obodo ma ọ bụ agbụrụ ọ bụla anaghị asụ asụsụ ọnatarachi ya, enweghị ntọala; na ndị obodo dị etu a, bụ ndị mbịarambịa n'obodo ha.

## Nsogbu nchọcha

Nsogbu nchọcha a bụ na ọtụtụ ndị amụmamụ asụsụ Igbo agbalịala n'ide edemede gbasara ụtọasụsụ mana ọtụtụ edebeghị ya n'Igbo izugbe nke ha ji ede ya n'olu Abankaleke. Nkọwapụta ndị derela ihe n'isi okwu a ezuchaghị oke. Nke ka nke bụ na ọtụtụ ndị derela ya ede jikarịrị asụsụ Bekee dee ya. □ nweghịkwa onye n'ime ha ji atụtụ e ji chọọ ịkọwa mmemụbara kọwaa ya n'olu Abankaleke.

## Mbunuche nchọcha

Mbunuche nchọcha a bụ ilebanye anya na mmemụbara dịka o si metụta usoro okwu olu Abankaleke. Mbunuche nchọcha a kpọm kwem bụ: ịchọpụta mmemụbara site na ngwaa n'olu Abankaleke. Nchọcha mmemụbara a gbadoro ụkwụ n'ụtọasụsụ olu Abankaleke. Ihe nchọcha a bagidere bụ ịtụle mmemụbara na ngwaa n'olu Abankaleke. Nchọcha a ga-eleba anya n'olu Ezaa, Izii na Ikwo bụ obodo atọ kacha pụta ihe n'olu mebere olu Abankaleke.

## Ntụleghari agụmagụ

### Atụtụ ụtọasụsụ mgbanwe

□nye tụpụtara atụtụ a bụ Chomsky (1957). Atụtụ ụtọasụsụ mgbanwe na-akọwa na ọ bụghị mgbe niile ka okwu niile na-enye ahịrịokwu echiche na-apụta ihe n'ihe a na-akpọpụta mgbe a na-ekwu okwu. Ndị nkwado atụtụ a na-arụ ụka na tupu a kọwaa ahịrịokwu nke ọma, na a ga-agụpụta mkpụrụ na mgbakwụnye okwu niile na-enye ya bụ ahịrịokwu echiche. Mgbe e mesịrị nke a, a tụlee mgbanwe e nwere na ndịna ndị a

kpatara e ji kpọpụta ihe a kpọpụtara. Nke a dị mkpa iji ghọta ka ya bụ ahịrịokwu si bido na ka o si gbanwee ghọrọ ihe ọ bụ n'ikpe azụ. Ya bụ na tupu a kọwaa ahịrịokwu ọ bụla na a ga-akpọliterịrị agba atọ mejupụtara ma ọ bụ ya bụ ahịrịokwu gabịgara. Agba atọ ndị a bụ àgba´ala, àgba´mgbanwe na àgba´ elu.

Mbah (2012) kọwara na agba mgbanwe bụ ebe a na-ahazịgharị ndịna echiche ahịrịokwu ka ha were ezi ọnọdụ ha n'ụdịdị ụtọasụsụ Igbo. Mgbanwe a nwere ike ịbụ okwu ma ọ bụ nkeji ahịrị site n'otu akụkụ gaa n'akụkụ nke ọzọ. Mgbanwe na-akọwa na ọ bụghị mgbe dum ka ahịrịokwu na-enwe echiche n'agba ala ya. Ya kpatara o ji dị mkpa na a ga-agbanwe ọdịdị ya, iji mee ka otu ọgbara okwu ahụ nwee ezi echiche ma kwe mkpọpụta.  nwekwara ike ịbụ ịgbakwụnye okwu na-adịghị n'agba ala ahịrịokwu ma mee ka ọ pụta ihe mgbe a na-akpọpụta ya bụ ahịrịokwu. Mgbanwe nwekwara ike ịbụ iwepu okwu dị n'agba ala ahịrịokwu nke ga-eme ka ọ ghara ịpụta ihe n'agba elu ekwumekwu ya. Mgbanwe nwekwara ike ịbụ iji okwu na-adịbughị n'agba ala gbanweta ma ọ bụ dochie anya okwu dịbu n'agba ala. Mgbanwe nwekwara ike ịbụ itinye okwu na-adịghị n'agba ala ma mee ka o soro n'ihe ndị a ga-akpọpụta. Mgbanwe dị ụzọ anọ: mbughari̩, mwepụ, mgbakwụnyere na mgbanweta. Mbah na Mbah (2014) kọwara na agba ala bụ ebe a na-egosipụta mkpụrụ okwu na mgbakwụnye ụtọasụsụ mejupụtara ahịrịokwu na mbido ya. Ndị nkwado atụtụ a na-akọwa na mgbe mmadụ chọrọ ịkpọpụta ahịrịokwu ọ bụla, na ọ na-esite n'odo okwu asụsụ ahụ ahọpụta mkpụrụ okwu ọ chọrọ iji mebe ya bụ ahịrịokwu. Ọnụọha (2016) kwuru na atụtụ ụtọasụsụ mgbanwe na-akọwa mmekọrịta dị n'etiti agba elu na agba ala ndokọ okwu ma ọ bụ ahịrịokwu. Ya bụ na atụtụ ụtọasụsụ mgbanwe na-emetụta mgbanwe dị n'agba elu gaa na mgbanwe dị n'agba ala ma wetuo ya n'iwu pere mpe.

**Atụtụ ntụ na iwu**

nye tụpụtara atụtu a bụ Chomsky (1981). Atụtụ ntụ na iwu bụ ụma nke ụtọasụsụ nke na–akọwa na asụsụ niile nwere agwara izugbe mana asụsụ ọ bụla nwere ụzọ o si atụ ya bụ iwu izugbe. Atụtụ a malitere maka mperi ndị ụtọasụsụ mgbanwe riri. Ụtọasụsụ mgbanwe na-esi agụgọ na ọ bụghị mgbe niile ka okwu na irighiri okwu/irighiri mgbanwe ndị a na-enye ahịrịokwu echiche ya na-apụta ihe na mkpọpụta ha. Nke a pụtara na mgbe a na-akọwa ahịrịokwu ọ bụla na ihe niile so nye ya echiche ga-apụtarịrị ihe. Tupu e mee nke a, ahịrịokwu ọ bụla ga-agabịgarịrị agba atọ: agba ala, agba mgbanwe na agba elu. Ụtọasụsụ mgbanwe na-agbado ụkwụ n'ewumewu asụsụ ha na-akọwa. Ha anaghị eleba anya na njirimara asụsụ niile gbaa gburu gburu. N'ihi ọtụtụ iwu a na-achị ụtọasụsụ mgbanwe, ndị ọka mmụta dịka Chomsky kpebiri ka e nwee iwu mbughari/nnọgharị. Nke a kpatara o ji tụpụta atụtụ ntụ na iwu. Atụtụ ntụ na iwu gbadoro ụkwụ n'ọkpụrụkpụ okwu abụọ: ntụ na iwu. Iwu n'ebe a na-akọwa maka usoro okwu nke e nwere ike ịhụta n'asụsụ niile. Ntụ n'ebe a na-eleba anya n'ụfọdụ asụsụ. Ọ naghị eleba anya n'asụsụ niile n'otu oge.

Atụtụ ntụ na iwu nwekwara nkatọ nke ya. Comrie (1981) katọrọ atụtụ ntụ na iwu n'ụdị na e nweghị ike inwe ọmụmụ asụsụ izugbe na-ebughị ụzọ mụọ maka iwu na-achị ụtọasụsụ ndị a. Ya bụ na agwara jikọrọ asụsụ ụfọdụ ọnụ dị oke mkpa n'ịghọta agwara asụsụ ndị a dị iche iche. Ọzọ, ọ kọwara na atụtụ ntụ na iwu, na elegara anya na naanị asụsụ nwere otu ụdị omume n'ụdị iwu na usoro ntụ ka e nwere ike ịchịkọta ọnụ na ọ dabara n'agwara amụmamụ asụsụ. Ọ kọwara na a naghị ewezugara asụsụ ndị ọzọ adabaghị n'iwu a. A na-ahụ asụsụ ndị a dị ka ndị e nweghị uru ha bara n'ebe ntụ a na-atụle dị. Ọ kọwara na e kwesịrị iwezuga iwu asụsụ izugbe

n'ebe asụsụ ụfọdụ dị. Na njedebe, a na-achịkọta asụsụ niile nwere otu agwa ọnụ. Iji kọwaa nkatọ ya nke ọma, ndị ụtọasụsụ izugbe kọwara na asụsụ niile nwere ụzọ ha si ahazi mkpụrụ okwu ha ka e nwee usoro ụtọasụsụ dị mma. Ọ kọwara na asụsụ ọ bụla na-ekpebi usoro mkpụrụ okwu ha ga-agbaso were mebe ahịrịokwu. N'ihi nke a, asụsụ abụọ nwere ike yie onwe ha n'ụzọ ha na-agbaso wee mebe ahịrịokwu. Asụsụ abụọ ọzọ nwere ike yie onwe ha n'usoro mmebe ahịrịokwu ma nwekwaa ndị iche n'ebe ụfọdụ. N'otu aka ahụ, asụsụ abụọ ọzọ nwere ike nwee ndị iche n'usoro okwu ha. Ọ kọwara na n'agbanyeghị na ọ bụ iwu dị mkpa na asụsụ niile ga-enwe usoro mkpụrụ okwu ha, asụsụ ọ bụla nwere ohere iji aka ha họrọ ụzọ gbara ọkpụrụkpụ ha ga-esi na-ahazị usoro mkpụrụ okwu ha. Nnwere onwe a ka ọ kọwara dị ka iwu dị iche n'ebe iwu izugbe dị.

Mbah (1999, 2006) enwechaghị afọ ojuju n'ebe atụtụ a na iwu mbugharị ya dị. Ọ kọwara na asụsụ Igbo nwere ndabe aba a, nkeji mkpọ aha, isi ahịrị na nnara. Na nchịkọta, o kwenyere na mmegharị Chomsky (1992) megharịrị iwu ngagharị site n'ịkọwa na e nwee ogologo nzọmụkwụ mkpụrụ okwu na ọ na-eweta obere mbugharị ma e nwee mkpụmkpụ mbugharị, ọ ga-eweta ogolgo nzọmụkwụ. Chomsky (1992) wepụtara echiche ọzọ n'ihi na ha enwechaghị afọ ojuju na ntụ na iwu Comrie (1981).

**Ntụlegharị nchọcha e merela banyere isi okwu a**

Nchọcha e merela banyere isi okwu a bụ ka o si metụta nchọcha ndị ọzọ merela yiri onwe ha. □nye nchọcha ọ bụla mara ihe ọ na-eme kwesịrị inwe ọrụ yiri nke ya e merela n'oge gara aga nke ga-agbaziri ya ụzọ. Nchọcha a ga–arụtụ aka n'ọrụ dị iche iche e merela gbasara mmemụbara.

Anagbogu (2005) emeela nchọcha gbasara mmemụbara n'asụsụ Kọring. Asụsụ Kọring bụ olu Efium na Ntezi nke dị na steeti

Ẹbọnyị nke Naịjirịa. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ụzọ dị iche iche e nwere ike isi gosipụta ụbara n'asụsụ Koring. Ọ chọpụtakwara n'asụsụ Koring na mkpọaha karịrị n'ọnụ ọgụ (dị ka pasenti iri asatọ 80%) na-anabata mgbakwụnye 'gbodoro' iji mebe ụbara. Ọ sị na 'gbodoro' pụtara ọtụtụ. Ọ kọwara, 'leto' (isi) 'zen' (anya), 'loto' (ntị) bụ mkpọolu ebe 'leto–gbodoro' (ọtụtụ isi), 'zen-gbodoro' (ọtụtụ anya), 'loto– gbodoro' (ọtụtụ ntị) bụ ụbara. Ọ bụ 'gbodoro' (ọtụtụ) dị n'azụ mkpọaha ndị a mere ha ụbara.

Ọ chọputakwara na asụsụ Koring na-enwekwa mgbanwe mkpụrụ asụsụ nke mbụ na mkpọaha iji mebe ụbara. Ọ kọwapụtara na 'ilagba' (nwaanyị), 'wadum' (nwoke), 'waati' (nwatakịrị) bụ mkpọolu ebe 'gbilagba' (ụmụ nwaanyị), 'gbadum' (ụmụ nwoke), 'gbuati' (ụmụ aka) bụ ụbara. N'ebe a, e nwere mgbanwe n'ụda asụsụ nke mbụ na mkpọolu ndị a niile. Ọ bụ mgbanwe ndị a mere ka mḳpọ olu ndị a bụrụ ụbara. Ọ kọwakwara na e nwere ụfọdụ mkpọaha e ji emebe ụbara n'agbakwụnyeghị ya ihe ọ bụla n'ihu ma ọ bụ n'azụ. Ọ bụ etu ọ dị na mkpọolu ka o dị n'ụbara ha. Nchọcha a yitụrụ nke a kpụ n'ọnụ maka na o mere ya na mmemụbara mana ọ bụ n'asụsụ Koring ka o mere ya. Ọzọ, o jighị atụtụ ọ bụla mee nchọcha ya.

Ọmachọnụ (2008) mere nchọcha na mmemụbara n'asụsụ Igala. Igala bụ olu Dekina, Amkpa, Ida, Ejule na Ayamgba nke dị na steeti Kogi nke Naịjirịa. Mbumnuche ya bụ ịkọwa ụzọ mmemụbara dị iche iche e nwere n'asụsụ Igala. Ọ chọpụtara na mkpọaha ụfọdụ n'asụsụ Igala na-anabata mgbakwụnye 'ab' na 'am' iji mee mkpọaha ndị ahụ ụbara.  kwuru na a na-agbakwụnye 'ab' naanị na mkpọaha gbasara mmadụ ebe a n'agbakwụnye 'am' na mkpọaha gbasara mmadụ na mkpọaha ndị ọzọ. Nchọcha ya yiri nke a kpụ n'ọnụ mana ọ bụ n'asụsụ Igala ka o mere nchọcha ya, ọzọ, o jighị atụtụ ọ bụla kọwaa nchọcha ya. Nkamigbo (2009) emeela nchọcha gbasara mmemụbara n'asụsụ Jaba. Jaba bụ otu olu n'ime okpuru ọchịchị e nwere na mgbago ugwu ala Naịjirịa bụ Kaduna. Mbumnuche ya bụ ịchọpụta ụzọ dị

iche iche asụsụ Jaba si emebe ụbara. Ọ kọwara na otu n'ime ụzọ asụsụ a si emebe ụbara bụ site na ndebe olu. Ya bụ etu e si debe olu mgbe a na-akpọpụta mkpụrụ okwu ndị a ga-ekwu ma ọ bụ mkpọolu ka ọ bụ ụbara maka na ha nwere otu nsụpe. Ọ kọwara na ihe dị iche na mkpọolu na ụbara n'ebe a bụ na ọtụtụ mkpọaha ya bụ ndebe mkpọolu nwere ụda olu ala ebe ụbara ha niile nwere ụda olu elu. Ọ kọwakwara na ụzọ ọzọ Jaba si emebe ụbara bụ iwepụ mgbochi ume mbụ ma were mkpụrụ ụda 'ts' dochie ya. Ọ chọpụtara na e nwere ike inweta ụbara n'asụsụ Jaba site na nghazịgharị mgbochi ume mbụ dị na mkpụrụ okwu. Nchọcha a yiri nke a kpụ n'ọnụ maka na o mere ya na mmemụbara mana ọ bụ n'asụsụ Jaba ka o mere ya. Ọzọ, o jighị atụtụ ọ bụla kọwaa nchọcha ya.

## Àtụtụ nchọcha

Atụtụ agbasoro n'ọrụ a bụ atụtụ ntụ na iwu. Ọ ga-agbadokwa ụkwụ naanị n' iwu abụmisi. □nye tụpụtara atụtụ ntụ na iwu bụ Chomsky (1981). Atụtụ ntụ na iwu bụ ụma nke ụtọ asụsụ nke na–akọwa na asụsụ niile nwere ágwara izugbe mana asụsụ ọ bụla nwere ụzọ o si atụ ya bụ iwu izugbe. Atụtụ a malitere maka mperi ndị ụtọasụsụ mgbanwe riri. Atụtụ ntụ na iwu gbadoro ụkwụ n'ọkpụrụkpụ okwu abụọ; ya bụ ntụ na iwu. Ntụ n'ebe a na-akọwa maka usoro okwu nke e nwere ike ịhụ n'asụsụ niile. Iwu n'ebe a na-eleba anya n'ụfọdụ asụsụ. Ọ naghị eleba anya n'asụsụ niile n'otu oge. Radford (1988) chịkọtara atụtụ ntụ na iwu nke Chomky (1981) dị ka atụtụ na-arụtụ aka n'agwara ọnatara chi nke ahụ nke nwere ike ileba anya n'ụtọasụsụ na njirimara asụsụ niile. Atụtụ a na-akọwa na e nwere ntụ e nwere ike ịhụ n'ọtụtụ asụsụ Ntụ ndị gụnyere: iwu abụmisi, iwu eserese nnawa, iwu abanyenwu agba, iwu mbughari̩, iwu nke kọ, iwu mgbatị, iwu nchekwebe ewumewu, iwu nchịkwa na nso, iwu isi okwu nkebi ahịrị, iwu ọrụ na ụtọ asụsụ, iwu mbịakọ, iwu ndinye, iwu ndabe

**Iwu abụmisi**

Iwu abụmisi na-akọwa na nkebiokwu ọ bụla ga-enweriri isi. Ọzọ kwa, na ọ bụ isi ndị a na-akọwa ụdị nkebiokwu ndị a bụ. Chomsky (1992), Mbah (1999, 2012) kọwara na ọ bụ ọchịkwa na-enye mkpụrụ okwu n'ahịrịokwu ọ na-achịkwa ọrụ ọ na-arụ n'iwu abụmisi. Nke a pụtara na ọchịkwa na mkpụrụ okwu ọ na-achịkwa ga-anọrịrị n'otu ọchịkwa metụtara ihe ọmụmụ. N'aka nke ọzọ, ha ga-enwerịrị ụzọ mmekọrịta. Ya bụ ọchịkwa na okwu ọ na-achị ga-enwerịrị mmekọrịta. Mbah (2012, 2016) kwuru na n'agbanyeghị na asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa nwere otu nkenụdị ndokọ ahịrịokwu mana ha nwere ike ịdị iche na nkenụdị nkebiokwu ha. Ọ kọwara na asụsụ Igbo, Bekee na Turkish nwere usoro okwu isi ahịrị, ngwaa na nnara, asụsụ Igbo na Bekee nwere abụmisi ebe Japanese nwere mkpe azụ. Ọ rụtụrụ aka na n'agbanyeghị na asụsụ Bekee na Igbo nwere otu nkenụdị ahịrịokwu n'ebe o metụtara mbuụzọ mana ha nwere nkenụdị dị iche n'ebe nkebiokwu mkpọaha dị. Abụmisi nkebiokwu na-adịkarị n'isi ahịrị asụsụ Igbo mana ọ na-adị na njedebe n'asụsụ Bekee. Agbedo (2015) kwuru na iwu abụmisi bụ iwu usoro okwu nke na-ekwu na o nwere usoro ndokọ asụsụ na-agbaso. Ọ rụtụrụ aka na isi ahịrị ọ bụla nwere ọnọdụ pụrụ iche ọ na-adị n'ime ahịri okwu. Ọ kọwara na asụsụ Igbo na asụsụ Bekee na-anabata iwu abụmisi ebe asụsụ Japanese na enwekarị isi mkpe azụ.

□ha (2011) rụtụrụ aka n'ụzọ atọ e nwere ike isi kọwapụta ọtụtụ mkpụrụ okwu n'abụmisi n'usoro okwu Igbo. Usoro ndị ọ rụtụrụ aka gụnyere: abụmisi nke aka ịcha ma ọ bụ aka ekpe, abụmisi nke aka nri na abụmisi nke e ji ọtụtụ ngwaa arụmarụ mebe. Ọmụmụ iwu abụmisi dị ùkwù ma dịkwa nhịkọsị tụmadị n'ebe nkebiokwu Igbo dị. Nke a kpatara otụtụ ndị ọka mmụta ji arụ ụka gbasara ebe abụmisi a kwesịrị ịdị. Ụfọdụ kwenyere na ọ ga-adị n'isi mbido, ụfọdụ kwenyere na ọ ga-adị n'etiti ebe ndị ọzọ sịrị na ọ ga-adị n'isi njedebe ahịrịokwu ma ọ bụ nkebi okwu. Ọtụtụ ndị ọka mmụta dị ka Selkrik (1982), Gazdar Pullum (1982), Zicky (1985)

na Hudson (1987) azọọla ụkwụ dike n'ebe amụmamụ abụmisi na ngalaba lingwistiks dị mana ha nwere nchọpụta yitụrụ onwe ha. Ha nwekwara ebe ha ekwekọtaghị na nkọwa ma ọ bụ echiche ha gbasara abụmisi.

**Usoro nchọcha**

Usoro a gbasoro mee nchọcha a bụ nkọwasị ndịzị mma ka e ji mee ya. Usoro a na-enwe mmasị naanị n'ịkọwa ụfọdụ ihe nwere ike ịgbanwe n'ihe gbasara ndị e ji mee nchọcha. Nkọwasị ndịzị mma bụ ịchọpụta ihe dị adị, kọwaa ya ma nye ya echiche n'ụzọ kwesịrị ekwesị. Ọ bụ site n'usoro ụdị nchọcha ndizi mma ka e ji nyochaa mmemụbara n'olu Abankaleke. E ṅomiri ya n'ihi na ọ bụ ya ga-enye ezi nkọwa maka usoro mmemụbara n'olu Abankaleke. Ebe nchọcha a bụ obodo atọ ndị kacha buo ibu n'ime olu ndị mejupụtara ọyọkọ olu Abankaleke nke steetị Ebọnyị gụnyere: Ezza Ikwo na Izzi. Anyanwu (2004, 2005) kwuru na nnukwu obodo atọ kacha buo ibu na olu ndị ndị mebere Abakaliki

Ndị a agbara ajụjụ ọnụ na nchọcha a bụ ụmụ afọ Abankaleke ndị maara ihe ekwe na-akụ maka olu Abankaleke. Ndị a họrọ maka nchọcha a bụ ndị gụrụ akwụkwọ bi n'ime obodo ma nwoke ma nwaanyị. E ji usoro tụmbọm tụmbọm họpụta ọnụmara abụọ abụọ maka nke ọ bụla ma họpụtakwa mmadụ abụọ abụọ n'ime ọnụmara ndị a a họpụtara. Na nchịkọta, ndị a họrọ dị mmadụ iri na abụọ. Ngwa e ji nweta data bụ ajụjụ ọnụ ihu na ihu. Ọsịsa ajụjụ ọnụ a gbara ndị mmadụ na Ẹzza Ikwo na Izii ka e ji kọwaa data . Ọ bụ ya kọwara mmemụbara na ngwaa Igbo. Atụtụ e ji tụchaa data bụ atụtụ ntụ na iwu ma gbadokwa ụkwụ n'iwu abụmisi.

**Usoro nkanye akara ụdaolu**

Nkanye akara ụdaolu e ji rụọ orụ na nchọcha a bụ nke Welmers nke Nwachukwu so na ya. Ihe e jiri were ya ka nke ka mma iji rụọ ọrụ na nchọcha a bụ maka na ọ na-eji naanị

akara abụọ egosipụta akara ụdaolu elu, ala na nsụda. E ji akara nlamala gosipụta ụdaolu ala ebe e ji akara nlamelu gosipụta ụdaolu elu na nke nsụda n'ihi na ọ bụ naanị ụdaolu nke bu ụzọ n' ọtụtụ ụda ọlu yiri onwe ha ka a na-akanye. Mgbe e nwere akara ụdaolu elu abụọ n'otu mkpụrụ okwu, ị mara na nke mbụ bụ akara ụdaolu elu ebe nke abụọ na-egosi akara ụda nsụda.

## Ntụcha data

### Mmemụbara nsina ngwaa

Mmemụbara nsina ngwaa e nwere n'olu Abankaleke gụnyere;

(a) wụ̀
(b) zà
(ch) zù
(d) ri̍kpù
(e) jụ́
(f) chị̀
(g) ghá
(gb) kpò
(gh) bá
(gw) hà
(h) Tụ́tụ̀

### 'Wụ̀' dịka mmemụbara nsina ngwaa

A na-eji 'wụ̀' akọwa ngwaa n'olu Abankaleke iji kọwapụta ka ndị a na-agwa ma ọ bụ ndị a na-akpọ oku bịa n'igwe. 'Wụ̀' na-akọwa na ọ bụghị otu onye ka a chọrọ ka ọ bịa kama a chọrọ ka ha buo ibu n'ọnụ ọgụ wee bịa. E nwere ike iji 'wụ̀' kọwaa mkpọaha ndị e nwere ike ịgụta ọnụ na ndị e nweghị ike ịgụta ọnụ . E nwere ike inweta nkọwa 'wù' nke ọma n'ime mkpụrụ okwu ndị a, 'wụ̀ụrụ' na 'wụkàhụ'.

### Iji 'wụ̀' kọwaa ihe e nwere ike ịgụta ọnụ

**Tebụl na-egosi iji 'wụ' kọwaa ihe e nwere ike ịgụta ọnụ dịka mmadụ na anụmanụ**

**Wụ̀ụrụ**

**Tebụl 1**

| **Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke** | **Mpụtara (n'Igbo izugbe)** |
|---|---|
| (a) Ù̀nu′ wụ̀ụrụ bịa eka ono agbaje egwu | Unu dị ọtụtụ bịa ebe ahụ a na-agba egwu |
| (b) Ụnwụ mgbọkọ wụẹụrụ bịa ẹka a la-agba nkwụ | Ụmụ agbọghọbịa dị otụtụ bịa ebe a na-agba nkwụ |
| (ch) Ẹphẹ wụ̀ụrụ bịa ibe ya | Ha dị ọtụtụ bịa be ya |

A bịa na tebụl 1 (a-ch), a ga-ahụta na ihe mere ahịrịokwu ndị a ụbara bụ ngwa ụbara 'wụ' nke na-egosi na ọ bụghị otu onye ka ngwaa a na-ekwu maka ya.

**Iji 'wụ' kọwaa ihe e nweghị ike ịgụta ọnụ**


**Tebụl 2 na-egosi iji 'wu' kọwaa ihe enweghị ike ịgụta ọnụ**

| **Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke** | **Mpụtara (n'Igbo Izugbe)** |
|---|---|

| | |
|---|---|
| (a) Nwaoke wụ̀ụrụ ereshi Nwite | Nwoke wụrụ osikapa Nwite |
| (b) Ọ sụ ge´ Uche wụ̀ụrụ mmanya ono | Ọ sị ka Uche wụrụ mmanya ahụ |
| (ch) Ọ wụ̀ụrụ ụza ono | Ọ wụrụ ose ahụ |

A bịa na tebụl 2 (a- ch), a ga-ahụta na ihe mere ha ụbara ngwaa ụbara ‘wụ̀’ dị n’ahịrịokwu ndị a. Ọzọ ‘wụ’ na-egosi na ihe a chọrọ iwere abụghị otu ihe kama na ọ dị ọtụtụ.

Eserese 1: Na-egosi nsekasị ‘wụ̀rụ’




N’eserese 1 ‘wù’ bụ isi ebe ‘-rụ’ bụ nsonazụ ma bụrụkwa okwu ndabe ụbara. Ihe mere ‘wụ̀’ isi bụ maka na ọ bụ ‘wụ̀’ bụ ngwaa na-egosipụta ụbara n’ebe a ebe ‘-rụ’ dabedoro n’ ahụ ‘wụ̀’ tupu ọ rụọ ọrụ ngwaa ụbara ndịnazụ oge.

**Wụ́kà**

Wụ́kà bụ ngwaa ọzọ e ji akọwa ụbara n’olu ndị Abankaleke,‘wụ́kàhụ’ pụtara ọtụtụ mmadụ ịgbasasị n’otu oge ma ọ bụ iwụkasị ọtụtụ ihe. Ya bụ ọtụtụ mmadụ ndị ahụ gbasara n’iwe ma ọ bụ na mberede.

**Tebụl 3 na-egosi ‘wụ́kà´dịka ngwaa ụbara**

| **Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke** | **Mpụtara (n'Igbo Izugbe)** |
|---|---|
| (a) T'unu wụ́kà l'eka ono | Ka unu gbasasịa n'ebe ahụ |
| (b) Emegeru ayị wụ́kà | E metu anyị agbasasịa n'ike |
| (ch) Whe wụ́kà g'ịbịa | Ha gbasasịrị n'ike ka ị bịara |

A bịa na tebụl 3 (a-ch), a ga-ahụta na 'wụ́' na-arụ ọrụ dịka ngwaa ụbara maka na ọ na-egosi na mkpọaha a na-arụgara aka dị ọtụtụ.

**'Zá' dịka mmemụbara nsina ngwaa**


'Zá' bụ ngwaa ụbara n'olu Abankaleke nke na-akọwa ụbara mgbe a chọrọ ka a zakọọ ọtụtụ ihe ọnụ ma ọ bụ mgbe a chọrọ ka a gbakọọ n' igwe. Ya bụ e nwere ike iji 'zá' kọwaa ihe ndị adịghị ndụ na ihe ndị dị ndụ.

**Tebụl 4 na-egosi 'Zá' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| **Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke** | **Mpụtara (n'Igbo Izugbe)** |
|---|---|
| (a) Unu zá ejwa iche | Unu zakọọ aja iche |
| (b) Zá ụza ono | Zakọọ ose ndị ahụ |
| (ch) Ọ sụrụ gweda zá ereshi ono | Ọ sịrị gị zakọo osikapa ndị ahụ |

A bịa na tebụl 4 (a-ch), a ga-ahụta na 'zà' bụ ngwaa ụbara na-arụgara mkpọaha ihe ndị e nwere ike ịgụta ọnụ. Ọzọ bụ na ndị a chọrọ ka ha bịa kwesiri ịdị n'igwe bịa. 'Zá' n'ahịrịokwu ndị a na-egosi na ajwa, ụza, ereshi a na-ekwu maka ya dị ọtụtụ maka na-enweghi ike ịsị mmadụ ka ọ zaa ihe bụ naanị otu ihe.

Eserese 2: Na-egosi nsekasị 'zárù'




N'eserese 2 'zá' bụ isi ebe 'rụ̀' bụ nsonazụ ma bụrụkwa okwu ndabe ụbara. Ihe mere 'zá' isi bụ maka na ọ bụ 'zá' bụ ngwaa na-egosipụta ụbara n'ebe a, ebe 'rụ̀' dabedoro n' ahụ 'zá' tupu ọ rụọ ọrụ ngwaa ụbara ndịnazụ oge.

Eserese (1 na 2) nwere otu ụdị eserese na otu nkọwa, a ga-ahụta na '-rụ̀' bụ akara mgbakwunye ndabe nke enweghị ike inwe nghọta n'onwe ya ma e wepụ 'wụ́' na 'zá' N'agbanyeghị na ọ bụ 'wú' na 'zá' bụ isi nkebi ahịrị ngwaa mana n'ime ngwaa, ọ bụ 'rụ̀'bụ isi ya maka na 'rù'bụ mgbakwunye nyere aka kọwapụta ogwe ngwaa ndị a nke ọma. Nke a dabakwara n'atụtụ Chomsky (1981) onye kwupụtara na dọ bụ mgbakwunye na-achịkwa ahịri okwu. Ọ bụ ya kpatar e ji enye nkebi mgbakwunye dịka mwepụta kacha n'ogo ahịrịokwu.

**'Zù' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

'Zù' na-akọwa ụbara n'olu Abankaleke mgbe a chọrọ ka ọtụtụ mmadụ gbakọta ọnụ n'otu ebe. N'otu aka ahụ e nweghị ike iji 'zù' kọwaa ngwa ụbara ihe ndị adịghị ndụ. Ya bụ e

nwere ike iji 'zù' kọwaa ịbịakọta ọnụ naanị ihe ndị na-eku ume. Ka anyị tulee mkpụrụ okwu a bụ 'zùkọ́'

**Tebụl 5 na-egosi** 'zù' dịka mmemụbara nsina ngwaa

| **Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke** | **Mpụtara (n'Igbo Izugbe)** |
|---|---|
| (a) Ọ sụrụ gé ayị zùkọ́ l'ụlọ ụka | Ọ sịrị ka anyị zukọọ n'ụlọ ụka |
| (b) Ọ sụ gé egirima zùkọ́ l'ụlọ ẹkwọ l'eche | Ọ sị ka ụmụaka zukọọ n'ụlọ akwụkwọ echi |
| (ch) Nweke sụ gé ayị zùkọ́ l'ibe ya | Nweke sị ka anyị zukọọ na be ya |

A bịa na tebụl 5 (a-ch), a ga-ahụta na 'zù' bụ ngwaa ụbara nke na-egosi mgbakọ ọtụtụ ma ọ bụ igwe mmadụ.

**'Ríkpù' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

'Rikpu' bụ ngwaa ukwu e ji akọwa ihe ịbịakọta ọnụ mgbe a tụghị anya ya n'otu oge. Ya bụ ngwaa e jị akọwa ihe ịbịa n'uju mgbe a dịghị njikere. Ihe nwere ike irikpute mmadụ na-abụkarị ihe ndị dị ndụ dịka mmadụ ma ọ bụ anụmanụ.

**Tebụl 6 na-egosi 'Ríkpù' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| **Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke** | **Mpụtara (n'Igbo Izugbe)** |
|---|---|
| (a) Ọụkọ ríkpùru nri nọ le kichin | Ọụkọ nukọtara rie nri dị n'use ekwu na ntụmadị |
| (b) Ẹphẹ ríkpùtarụ m l'ụlọ ụka | Ha wakporo m n'ụlọ ụka |

| | |
|---|---|
| (ch) Unu bịarụ ge᷅ unu ríkpùta m bẹda | Unu bịara ka unu wakpoo mụ onwe m |

A bịa na tebụl 6 (a-ch), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ 'ríkpù'. 'Ríkpù' dị n'ọmụmaatụ ndị na-egosi mgbe mmadụ ma ọ bụ anụmanụ wakporo mmadụ ma ọ bụ ihe.

**'Jú' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

'Jú' bụ ngwaa ụbara ọzọ e ji akọwa ihe adịghị na mkpọolu, Ya bụ e ji 'jú' akọwa ụbara ihe karịrị otu ma ọ bụ ihe dị ọtụtụ. E nwere ike inweta nkọwa 'ju' nke ọma n'ime mkpụrụ okwu a bụ ' júrụ̀'.

**Tebụl 7 na-egosi 'jú' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke | Mpụtara (n'Igbo Izugbe) |
|---|---|
| (a) Ọụkọ júrù l'efwịa | Ọkụkọ juru n'ahịa |
| (b)Ụnwụ mgbọkọ júrù l'Abankaleke | Ụmụ agbọghọ juru n'Abankaleke |
| (ch) Ẹkwụkwọ júrù n'ofisi ya | Akwụkwọ juru n'ofisi ya |

A bịa na tebụl 7 (a-d), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ 'Jú' nke na-egosi na ọụkọ, ụmụ mgbọkọ, ẹkwụkwọ, madzụ, ngwaa a na-arụgara aka dị ọtụtụ. E nweghị ike iji 'júrù' kọwaa mkpọaha dị n' mkpọolu. E nweghị ike ịsị na ọụkọ júrù n'ahịa mgbe a na-ekwu maka otu ọụkọ.

**'Chị̀' dịka mmemụbara nsina ngwaa**


Chị'bụ ngwaa ụbara na-egosi na mkpọaha a na-akọwa dị ọtụtụ. Mgbe a sị na mmadụ chi ihe, o gosiri n' ihe onye ahụ ji karịrị otu. Ya bụ na 'chị na-akọwapụta ụbara n'ime ahịrịokwu.

**Tebụl 8 na-egosi 'chị̀' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke | Mpụtara (n'Igbo Izugbe) |
|---|---|
| (a) Nwite chị̀ ẹkwa | Nwite chị akwa |
| (b) □gbonna chị̀ ẹkwụkwọ | □gbonna chị akwụkwọ |
| (ch) Ọ chị̀ akpụ ọkpa | Ọ chị akpụkpọ ụkwụ |

A bịa na tebụl 8 (a-ch), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ chị̀. Ihe mere ha ụbara bụ ngwaa na-ezipụta ụbara bụ 'chị̀' nke dị n'ọmụmaatụ ndị a. Nke a pụtara na ẹkwa, ẹkwụkwọ, akpụ ọkpa, akpe, a na-ekwu maka ya karịrị otu.

**Eserese 3 na-egosi nsekasị 'Nwite chị ẹkwa'**



N'eserese 3, 'Nwite' bụ isi ebe 'chi ẹkwa' bụ mmeju. Ihe mere 'Nwite' isi n'ebe a bụ maka na 'Nwite' nwere ike ime ihe a sị na ọ mere n'ebe a. 'Chị ẹkwa' bụ mmeju ma na-egosipụta ihe 'Nwite' mere. N'agbanyeghị na 'Nwite' bụ isi ahịrị n'ebe a, ihe mere ahịrị ụbara bụ 'chị'

**'Ghá' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

'Ghá' bụ ngwa ụbara ọzọ na-egosi na ihe a tụrụ mmadụ abụghị otu ihe. Nka pụtara na ihe a tụrụ onye ahụ dị ọtụtụ, oge ụfọdụ ọ bụrụ ihe ga-ahịa ahụ ịgụta ọnụ. □ge ụfọdụ

a na-eji ngwaa ụbara 'ghá' akọwa mgbasa ọtụtụ mmadụ n'olu Abankaleke. Nkọwa maka 'ghá' ga-apụta ihe nke ọma na mkụrụ okwu ndị a'ghárà' na 'ghakahụrụ'.

**Tebụl 9 na-egosi 'ghá' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| Ngwaa ụbara n'olu Abankaleke | Mpụtara (n'Igbo Izugbe) |
|---|---|
| (a) Ọ ghárụ̀ ụza l'ẹgụ | Ọ ghara ose n'ugbo |
| (b) Ọ gharụ ereshi l'ẹgụ | Ọ ghara osikapa n'ugbo |

| | |
|---|---|
| (ch) Ẹphẹ ghákàhụrụ nteke ọ nwụshiri | Ha gbasasịrị ozugbo ọ nwụrụ |

A bịa na tebụl 9 (a-ch), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ 'ghá' dị n'ime ọmụmaatụ ndị a. Nke pụtara na eja, ẹkụ, ụza, ereshi na mmadụ, ngwaa ndị a na-akọwa karịrị otu.

**'Kpò' dịka mmemụbara nsina ngwaa**


'Kpò' bụ ngwaa ụbara ọzọ na-ezipụta ọtụtụ ihe. Mgbe mmadụ ji ihe karịrị otu, o nwere ike ịpụta na o 'kpò' ihe ahụ ekpo.

**Tebụl 10 na-egosi 'Kpò' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| **Ngwaa ụbara** | **Mpụtara (n'Igbo Izugbe)** |
|---|---|
| (a) □ kpò oshi | □ kpo osisi |
| (b) Ikenna kpò ndụ ẹgha | □ kpo ndị agha |
| (ch) □ kpò okpogho ẹka lẹ ẹbọ | □ kpo ego aka abụọ |

A bịa na tebụl 10 (a-ch), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ 'kpò'. 'Kpò'gosiri na mkpọaha ndị a; oshi, ndụ ẹgha, okpogho na ẹgwa a na-ekwu maka ya dị ọtụtụ.

**Eserese 4 na-egosi nsekasị**
'Ikenna kpò ndụ agha'



N’eserese 4, ‘Ikenna’ bụ isi ebe ‘kpò ndụ agha’ bụ mmeju. Ihe mere ‘Ikenna’ isi n’ebe a bụ maka na ‘Ikenna’ nwere ike ime ihe a sị na ọ mere n’ebe a. ‘Kpò ndụ agha’ bụ mmeju ma na-egosipụta ihe ‘Ikenna’ mere. N’agbanyeghị na ‘Ikenna’ bụ isi ahịrị n’ebe a, ihe mere ahịrị a ụbara bụ ‘kpò’

**‘Bá’ dịka mmemụbara nsina ngwaa**


Báshị́’ bụ ngwaa ụbara ukwu ọzọ n’olu Abankaleke nke na-egosi na ihe ahụ bara ụba ma ọ bụ na ihe a na-ekwu maka ya buru ibu n’ọnụ ọgụ.  na-egosikwa na mkpọaha a na-akọwa dị ọtụtụ. Ya bụ na ihe ahụ abụghị naanị otu ka ọ dị kama ọ bụ atụrụ tawa. Ka e were mkpụrụ okwu a bụ ‘*bá*shị́rụ̀’ dịka ihe ịma atụ.

**Tebụl 11 na-egosi ‘Bá’ dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| **Ngwaa ụbara** | **Mpụtara (n'Igbo Izugbe)** |
|---|---|
| (a) Nri báshịrụ̀ ẹka lile | Nri karịrị akarị ebe niile |
| (b) Mee báshịrụ̀ ẹka lile | Mmanya karịrị akarị ebe niile |
| (ch) Anụ báshịrụ̀ ẹka liile | Anụ karịrị akarị ebe niile |

A bịa na tebụl 11 (a-ch), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ 'ba' Ihe kpatara nke a bụ maka ngwaa ụbara ukwu 'báshị' dị n'ime ahịrịokwu ndị a ọzọ, 'rù' na-egosipụta mmecha.

**Eserese 5 na-egosi nsekasị 'Eghu báshírù ẹka lile'**



N'eserese 5, 'eghu' bụ isi ahịrị ebe 'bashiru ebe lile' bụ mmeju. Ihe mere 'eghu' isi bụ maka na ọ bụ 'eghu' mere ihe a sị mere n'ahịrị a. N'ebe a 'ba' bụ isi ngwaa ụbara ebe 'shiru' bụ mgbakwunye (okwu ndabe ụbara) nke e nweghị ike ịkwụrụ onwe ya ma nghọta zuru oke.

**'Hà' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

Ha bụ ngwaa mfe na-akọwa ụbara n'olu Abankaleke. 'Hà' pụtara ka onye ahụ were ụfọdụ ma hapụ ụfọdụ. □nye a gwara ya 'hàtá' ma ọ bụ 'hara' ihe agaghị ewere ihe ahụ niile. Ngwaa mfe a bụ 'hà' na-akọwakarị mkpọaha ndị e nweghị ike ịgụta ọnụ (aha igwe) ma ọ bụghị. Ọ na-abụkarị mmadụ ka a tụrụ anya nwere ike ịhata ihe.

**Tebụl 12 na-egosi 'ha' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| Ngwaa ụbara | Mpụtara (n'Igbo izugbe) |
|---|---|
| (a) Hàtá ereshi ono | Kporo ụfọdụ osikapa ahụ |
| (b) Hàtá ujuru ono | Kporo ụfọdụ oroma ahụ |
| (ch Hàtá ụza ono | Kporo ụfọdụ ose ahụ |

A bịa na tebụl 12 (a-ch), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ 'hàtá' Nke a bụ

maka na a sị mmadụ 'hàtá', ihe a sị onye ahụ were ga-adị ọtụtụ nke a chọrọ ka ị were ụfọdụ n'ime ya ma hapụ ụfọdụ.

**Tụ́tụ̀ dịka mmemụbara nsina ngwaa**

Tụ́tụ̀ bụ ngwaa ukwu e ji akọwa ụbara n'olu Abnankaleke. Ihe a na-atụtụ atụtụ na- abụkarị mkpọaha ndị ahụ a naghị eku ume. Ihe a na-atụtụ atụtụ na-adịkarị n'ala nkịtị.

**Tebụl 13 na-egosi 'tụ́tụ̀' dịka mmemụbara nsina ngwaa**

| Ngwaa ụbara | Mpụtara (n' Igbo izughe) |
|---|---|
| (a) Tụ́tụ̀á ujiri ono le nkata | Tụtụnye oroma ndị nke ahụ na nkata |
| (b) Tụ́tụ̀á ẹkwọ ono jee kposhie | Tụtụọ akwụkwọ ndị nke ahụ gaa ghafue |
| (ch) Tụ́tụ̀á mkpma n'gbam gbam shịrị ise | Tụtụnye okwute na nnukwu afere naira ise |

A bịa na tebụl 13 (a-ch), a ga-ahụta na ngwaa ụbara dị n'ahịrịokwu ndị a n'otu n'otu bụ 'tụtụ'. E nweghị ike ịsị mmadụ tụtụọ otu ihe kama ọ bụ ihe karịrị otu ka a na-asị ka a tụtụọ.

**Nchịkọta ihe a chọpụtara**

Na nchịkọta nchọcha a, a ga-arụtụ aka na mbunuche izugbe nchọcha a nke bụ mmemụbara ngwaa n'olu Abankaleke. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta mmemụbara nsina ngwaa n'olu Abankaleke. Ụmụ afọ Abankaleke ndị maara nke ekwe na-akụ maka olu Abankaleke, ndị gụrụ akwụkwọ bi n'ime obodo ma nwoke ma nwaanyị bụ ndị e jiri nweta data. E ji usoro mbunuche họrọ ndị e ji mee nchọcha bụ obodo atọ kacha bue ibu n'ime olu ndị ndị mejupụtara ọyọkọ olu ndị Abankaleke ndị gụnyere: Ezza, Ikwo na Izzi. Ngwa e ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ọnụ ihu na ihu. Nchọcha a chọpụtara na ụzọ mmepụta mmemụbara site na ngwaa n'olu

Abankaleke gụnyere; wụ̀, zá, zù, rikpù, jú, chị̀, ghá, kpò, bá, hà, tụ́tụ̀. Na mmechi, nchọcha a, chọpụtara na olu Abankaleke nwere ọtụtụ mkpụrụ okwu ngwaa na-egosi mmemụbara, ya bụ na mmemụbara ngwaa dị ọtụtụ n'olu Abankaleke.

**Edensibịa**.


Agbedo, C. U. (2015). *Gener□l linguistics: Historic□l □nd contempor□ry perspective.* Nsukka: KUMCEE-Ntaeshe Press Inc.

Anagbogu, P. N. (2005). Plural in Koring. *Awk□ Journ□l of Linguistics □nd L□ngu□ges,* 1, 132- 140.

Anyanwụ, U. (2004). Beyond the big hoes and mounds: A Re appraisal of Ezaa Traditional Economy. *Nsukk□ Journ□l of Hum□nities* 14 (67-77)

Anyanwụ, U. (2005). Abakaliki: A bona fide dialect of the Igbo language. *Nsukk□ Jounn□l of Afric□n L□ngu□ges □nd Linguistics.* (*NJALL*), 2 (2), 1 - 5.

Chomsky, N. (1957). *Synt□ctic structure*. Massachusetts: MIT Press.

Chomsky, N. (1981). *Lectures on government □nd binding*. Dordrech: Foris.

Chomsky, N. (1992). *A minim□list prgr□mme for linguistics theory*. MIT working papers in linguistics. Ngalaba Lingwistiks na Fịlọsọfị.

Comrie, B. (□1981). *L□ngu□ges univers□ls □nd linguistics typology*. Chicago: University of Chicago Press. Nsụka.

Ezeumudo, R. A. (1981). *Nchịkọt□ ọmụmụ □sụsụ Igbo.* □nitsha: Kawuriz and Manilas, Publishers.

Gazdar, G. & Pullum, G. K. (1982). *Gener□lized phr□se structure gr□mm□r: A theoretic□l synopsis.* Bloomington: Indiana University Linguistics Club.

Hudson, R. A. (1987). Zicky on heads. *Journ□l of Linguistics*, 23, 4 -11 Ndimele. (Ed). *L□ngu□ge, liter□ture □nd communic□tion in □dyn□mic world. A festschrift in*

*honour of professor C.Ohiri Aniche*, (pp 651-663). Port Harcourt: M & J □rbit Communications Limited.

Ikekeọnwụ, C. I. , Ezikeọjịakụ, P. A. , Ubanị, A. I. , & Ugọjị (1999). Fọnọlọji na Grama Igbo. Ibadan: African Press.

Lyons, J. (1981). *L□ngu□ge □nd linguistics*. Cambridge: University Press.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in synt□x: Igbo phr□se structure*. Nsukka: Prize Publishers.

Mbah, B. M. (2006). *GB synt□x: The minim□list theory □nd □pplic□tion to Igbo.* Enugu: Association of Nigerian Authors Cros River State Chapter.

Mbah, B. M. (2012). Ụtọasụsụ Izugbe. Nkụzi ndị Post grajuet, Ngalaba Lingwistiks Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ □mụm□mụ □sụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Mbah, B. M. (2016). Principles and parameters. Na B.M. Mbah. (Ed.) *Theories of linguistics*. (Pp 116-131). Nsukka: University of Nigeria Press.

Nkamigbo, L. C. (2009). Lexical plurarity in Jaba. *Journ□l of the Linguistics Associ□tion of Nigeri□* 12, 205-213.

□ha, B. A. (2011). The head feature parameter and the Igbo. Nchọpụta ọkaa, Ngalaba Igbo, Kọleeji Etiti nke Edukeshọn □gbudu, Steeti Krọs Riva.

□ka asụsụ Igbo. (1983) (□tu iwelite Asụsụ na omenaala Igbo). □nitsha. Vasity press Ltd.

□keke, P. N. (1993). Ngosipụta ụbara n'asụsụ Igbo. Arụmarụ NCE. Kọleji Edukeshọn Etiti Eha-Amufu.

□machonu, G. S. (2008). Inflectional morphology in Igala. *Journ□l of the Linguistics Associ□tion of Nigeri□*, 11, 33-34.

Ọnụọha, J.A (2016). Transformational generative grammar. Na B. M. Mbah (Ed.). Theories of linguistics. (pp 107-115). Enugu: University of Nigeria Press Limited.

Ọnụọha, J.A (2018). Morphosyntatic heads in Igbo. Nchọcha ọka mmụta, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na asụsụ Naịjiriạ ndị ọzo, Mahadum Naịjiriạ, Nsụka.

Radford, A. (1988). *Tr□nsform□tion□l synt□x gr□mm□r: A first course*. Cambridge: Cambridge University Press. University Press.

Selkrik, E. □. (1982). *The synt□x of words*. Cambridge: The MIT Press.

Zicky, R. A. (1985). Heads. *Journ□l of Linguistics*. 21, 1-29.

**Ndị a gbara ajụjụ ọnụ**

Alegu, □. M. (2019) Afọ 31, Ụlọ ọrụ Ebonyi State University, Abakaliki (Nwata akwụkwọ).

Aleke, J.C. (2019) Afọ 30, Community Secondary School Aguleri (NYSC).

Igiri ,U. (2019) Afọ 28, Ụlọ ọrụ Community Secondary School Agba.

Mgbada, P. (2019) Afọ 24, Nwata akwụkwọ Ebonyi State University, Abakaliki.

Michael, R. C. (2018) Afọ 27, Ụlọ ọrụ □asis Enterprises Nigerian Limted Abakaliki.

Njoku, M. C. (2019) Afọ 23, Ụlọ orụ Government Girls Secondary School Agba.

Nwaebonyị, N. (2019) Afọ 34, Ụlọ orụ Secondary Eduction Board Abakaliki.

Nwambam, A. (2019) Afọ 45, Ụlọ orụ Community Secondary School Igbagu.

Nwambam, U. (2019) Afọ 38, Ụlọ orụ Ezza High School Amuzu.

Nwanganga, N (2018) Afọ 35, Ụlọ orụ Community Secondary School Ameka.

Nwangele, S. (2019) Afọ 42, Ụlọ orụ Ebonyi State University, Abakalki.

□keawọrọ, S. N. (2019) Afọ 54, Ebonyi State College of Education Ikwo.

**Nkọwa aha ndebiri**

AN ----- ahịrị ndabe
A ------ ahịrịokwu
NMkp ---- nkeji mkpọ aha
NNgw ---- nkeji ngwaa
NNkọ ---- nkeji nkọwa
NMb --- nkeji mbu ụzọ
NNkw ---- nkeji nkwuwa
NNj ----- nkeji njikọ
mkp -----mkpọaha
ngw ---- ngwaa
mbu ---- mbu ụzọ
nji ---- njikọ
nkw ---- nkwuwa
nrụ ------ nrụaka
nnọ ----- nnọchi aha
nkọ ----- nkọwa aha
mmj ---- mmeju